# EMERE KA ỌGBỤGBANDỤ AHỤ DỊ ỌHỤỤ

## Ọpupu 34:1-35

### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 69 - Nke Ndị okenye

**AMAOKWU IBUN’ISI: “JEHOVA we gabiga n’iru ya, kpọ òkù, si, JEHOVA, JEHOVA, Chineke nke nwere obi-ebere, Onye nēme amara, Onye nādigh-ewe iwe ọsọsọ, Onye nāba uba n’ebere na ezi-okwu” (Ọpupu 34:6).**

**I Ime ka Ọgbụgbandụ Ahụ Dị Ọhụụ N’Ugwu Sainai**

1. Enyere Moses iwu ka ọ rịgota n’Ugwu Sainai náánị ya ka ewee dee kwa iwu Chineke n’elu mbadamba nkume ọzọ, Ọpupu 34:1-4; Deuteronomi 10:1-4
2. Onyenweanyị gosịrị na Ya nábatara Moses ọzọ site n’inye ya mkpughe ka ukwuu nke ihe niile Chineke bụ, dịka ekwere yarịị ná mkwà, Ọpupu 34:5-7; 33:19; Jemes 4:8; Abù Ọma 73:28; Ndi Hibru 10:22
3. Moses kpọrọ isiala nye Chineke ná nsọpụrụ wee gosi mmụọ nke obiumeala na mmụọ nke achọghị náánị ihe nke aka ya site n’iwere iruọma ọhụụ ahụ ọ chọtara rịọ Chineke arịrịọ banyere ụmụ Israel, Ọpupu 34:8, 9; Deuteronomi 10:10, 11
4. Chineke zara arịrịọ Moses, ya na ụmụ Israel wee gbaandụ, nke mmezu ya gaadabere ná nrubeisi ha nye Iwu ahụ, Ọpupu 34:10, 11; Deuteronomi 10:12-22; 11:1-32

**II Ọnọdụ Niile Na Ihe Niile Achọrọ N’Ọgbụgbandụ Ahụ**

5. Ihe mbụ achọrọ bụ irubere Chineke isi n’ụzọ niile na ifè náánị Ya òfùfè, Ọpupu 34:12-17; Matiu 22:36-39; Luk 14:26-33; 5:27, 28; 18:29, 30; Ndi Filipai 3:8
6. Enyere Ememe Ngabiga, Pentikọst, na Ememe Ụlọikwuu, iji nwantakirị ọ bụla nke meghere akpànwa chee n’iru Chineke dịka àjà na ịgbapụta ya, iji mkpụrụ mbụ chụọ àjà ya na idebe ụbọchịizùike nke izù inyere ha aka ifè Chineke mgbe niile, Ọpupu 34:18-28; Levitikọs 23:1-44; Ọnu-ọgugu 9:1-14; Deuteronomi 16:1-17

**III Agụpụtara Ọgbụgbandụ Ahụ Nye Ụmụ Israel**

7. Iru Moses nwupuru n’ebube nke Chineke n’ihi mkparịtaụkà ahụ nke ya na Chineke kparịtara ogologo mgbe, nke pụtara ịgbàámà na Chineke kwagidere onyeamúmá Ya, Ọpupu 34:29, 30; Matiu 17:2, 3; Deuteronomi 34:10
8. Moses, dịka onyeozi nke Chineke kwesịrị ntụkwasiobi, gwara ụmụ Israel okwu niile nke Jehova, Ọpupu 34:31, 32; Aisaia 62:6; Ọlu Ndi-ozi 6:4; 20:28; I Timọti 4:6; I Pita 5:2-4; 4:10; I Ndi Kọrint 4:1, 2
9. N’ihi na iru Moses nwupuru ọ dị mkpà na ọ gaekpudo ihe n’iru ya mgbe ọ naagwa ụmụ Israel okwu, Ọpupu 34:33-35; 2 Ndi Kọrint 3:7-18

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

**Ihe Anyị Pụrụ Ịmụta Site N’ebe Ụmụ Israel Nọ**

N’ọtụtụ iheọ̀mụ̀mụ̀ garaaga anyị amụwọ ihe banyere oge ọchịchịrị na ahụhụ ná akụkọ ụmụ Israel. Mgbe ha nọ na ndagwurugwu nke Ugwu Sainai ha anụwo ka Chineke naekwuokwu, ma ha laghachịrịàzụ wee jụ Chineke ide Iwu Ya n’obi ha (Ilu 3:3; 7:3; Jeremaia 31:31-34).

Mgbe Moses naanọ ọdụ ịlaghachị site n’Ugwu Sainai ụmụ Israel laghachirị n’ikpere arụsị, ha kpụrụ ma feè kwa nwaehi ọlaedo, nke mere Chineke ji taa ha ahụhụ dị ukwuu. Ná agbaghịagụgọ ahụhụ a dị ukwuu karị otú ụmụ Israel cherè na mbụ, n’ihi na nchègharị ha na mbụ ezughị inwetara ha ngọzi niile ahụ ha naenweta tupu ha emehie. Ọ dị mkpà ka Moses rịọrọ ha arịrịọ ọtụtụ ugbò ka ezi ihe niile ahụ nke si n’aka Chineke wee bụrụ kwa nke ha ọzọ. Dịka anyị naagụ mmeso Chineke n’ebe ndị Israel nọ, malite na mgbe Chineke jụrụ ha, mgbe Chineke buru ụzọ gwa Moses okwu banyere mmehie nke ikpere arụsị ha rue mgbe ha bulikwara ijè ha ijeru Kenean (Ọnu-ọgugu 10:11-13), anyị naahụ ebe egosipụtara ụfọdụ eziokwu dị mkpà.

Nke mbụ, anyị naahụ otú o si bụrụ ihe dị njọ ịjụ Chineke n’ụzọ ọ bụla ya na nnụpụisi ọ bụla nye Iwu Chineke. Nke abụọ, anyị naahụ na ọ bụrụ na ọjụjụ ahụ aga n’iru, ihe nke a gaalụpụta bụ na Chineke gaajụ onye mmehie ahụ; ọ bụ kwa náánị ezi nchègharị zuruòkè n’obi nke onye mmehie ọ bụla gaatụgharị obi Chineke ime ka ya na Chineke dị kwa n’udo ọzọ. Nke atọ, anyị naahụ mkwesị na izùòkè niile nke ezi onye ndú dịka egosipụtara ya na nwoke ukwuu ahụ, bụ Moses, onye jikere ịrapụ iche uche maka ọ dị mma nke ya onweya ma kpee ekpere n’ihi ọ dị mma nke ndị ahụ Chineke debere n’okpuru ya. Nke anọ, anyị hụrụ otú o si dị mkpà ka iru Chineke dịnyere anyị mgbe ọ bụla; ya na ngọzi nke ihe anaahụ anya na nke imemmụọ bụ nke ụmụ Israel gaetufuworị ma ọ bụrụ na Moses arịọghị arịrịọ n’ihi ha.

Nke ise, anyị naahụ na Chineke naele ndị nke Ya ule, ọbụná ndị Ọ kpachapụrụ anya rọpụta ma kụzi kwara ihe, ka ha wee mata n’ezie ihe dị n’obi ha onweha. Nke isii, anyị hụrụ ihe ebube egosipụtara na Chineke naabịaru nso onye ọ bụla nke náabịru Ya nso, na nzọụkwụ ọ bụla anyị zọnyere ịbịaru nso Ya, maọbụ n’elu ugwu maọbụ na ndagwurugwu, gaewetara anyị mkpughe nke aha ukwuu Ya na ebube nke ihe niile Chineke bụ. Nke asaa, anyị

naahụ́ ọnọdụ dị icheiche otú esi eme ma chezi kwa ọgbụgbandụ nke anyị na Chineke: nrubeisi na inye onweonye, irubeisi nke anaapụghị ịtaụtà n’uche Ya nke emere ka ọ pụta ìhè, na ijèijè n’iwere ikwesị ntụkwasịobi chebezie amara enyere anyị. N’ikpeàzụ́, ná njikọta okwu nke eziokwu ụfọdụ nke ekpughere n’ebe ọgụgụ a nke akụkọ nke ụmụ Israel (I Ndi Kọrint 10:1-11), anyị naahụ́ ihe ngosi nke ebube nke gaabịakwasị anyị mgbe anyị naeso Chineke n’obi anyị niile, wee náalụọlụ Chineke nyeworo anyị onye ọ bụla n’ebe ibe ya nọ, were ikwesịntụkwasịobi náachọghị náánị ọ dị mma nke anyị onweanyị naarịọ arịrịọ n’ihi ndị furuefu nime mmehie, wee rọrọ ibuli aha Chineke elu karịa otuto ọ bụla nke onweanyị, wee guzoro n’Okwu Chineke ná eleghịanya n’àzụ́ megide onye gaarapụ ijigide ụkpụrụ ya niile.

**Ule Nke Elere Moses**

Chineke naekwenye ka elee ndịozi Ya ule ọtụtụ mgbe n’ụzọ dị icheiche. Mmadụ nwereike chee na enyewo Moses ọ̀zụ̀zụ̀ kwesịrị n’iri arọ̀ anọ ndịa dịka onyenketa nke ocheeze Ijipt tinyekwara ogologo oge ra otú a bụ́ nke o ji zụọ igwèatụrụ nna nwunye ya n’ọzara. Ọ bụ ezie na Moses nwere ọ gan’iru n’ihe nke mmụọ n’oge ndị ahụ. Onye nke sitere n’okwukwe rapụ àkụ̀ niile nke Ijipt wee rọrọ ibi n’etiti ụmụ Hibru bụ́ ndị orù ajụrụajụ n’ihi na ọ hụrụ ngọzi dị ukwuu na ịtaụtà nke Kraist karịa ihe nke ụwa nke náadị nwa oge nke náagabiga kwa, wee mụta ibi ndụ nrubeisi n’ọzara. Otù ihe bụ̀ na ọ mụtara iso Chineke ọ bụghị kwa ibutere Chineke ụzọ. Nke ahụ bụ iheọ̀mụ̀mụ̀ nke gaewere ọtụtụ mmadụ ihe karịrị iri arọ anọ ịmụta ya!

Ma ule nke anaele Moses n’oge a dị iche na nke ọ bụla elere yarịị n’Ijipt maọbụ n’ọzara. Ọ bụ ule nke náegosi ezi mmụọ dị nime Moses ma ọ bụrụ na ọ gafere ya: mmụọ nke ezi ịdị nwayọ na obi umeala, mmụọ nke ezi ịhụn’anya n’ebe Chineke nọ, ya naagụụ nke ịsọpụrụ Chineke karịa ihe niile ọ bụla.

Mgbe ụmụ Israel tamurù ntamù megide Moses na Refidim n’ihi na mmiri adịghị ha gaañụ, ha sịrị: “Ọ bu kwa n’ihi gini ka i meworo ka ayi si n’Ijipt rigota” (Ọpupu 17:3). Mgbe ha gwara Eron ka ọ kpụara ha nwa ehi ọlaedo ahụ ha kwukwara banyere Moses sị na ọ bụ onye ahụ nke mere ka ha si n’ala Ijipt pụta (Ọpupu 32:1). Moses nabatara okwu ahụ dịka ihe náegosi ọnọdụ obi nnupuisi ha. Ha agbakutawo Chineke na odudu Ya àzụ́. Moses wee chetara ha na ntamù ha abụghị megide ya onweya, kama megide Chineke.

Ma mgbe Chineke gwara Moses na ụmụ Israel emerụwo onweha wee malite kwa ifè arụsị, Chineke n’Onweya kpọrọ ndị ahụ ndị nke Moses wee sị kwa na Moses kpọpụtara ha site n’Ijipt. Chineke wee sị ka Moses rapụ Ya ka O wee bibie ha n’iwe Ya, wee mee ka mba tolitere Ya Onweya site n’agbụrụ orù Ya kwesịrị ntụkwasịobi bụ́ Moses. Chineke pụrụ ime ya náemebighị ọgbụgbandụ ahụ nke Ya na Abraham gbara, n’ihi na Moses sitere n’agbụrụ Abraham, obodo ọ bụla kwa nke emere ka ha site n’agbụrụ nke Moses tolite ka bụ kwa mkpụrụ Abraham.

Ma Moses adịghị ka ọtụtụ mmadụ ndị gaewere ọsọsọ nara oghere dị otú a ịghọ nna nke otù mba, ka ụmụmmadụ nime ọgbọ niile wee náele ya anya ná nsọpụrụ na mbulielu. Moses chere banyere mbulielu nke aha Chineke karịa ọnọdụ dị elu ọ bụla nke onweya. Anyị ahụwo na o chètara Chineke ihe ndị Ijipt gaekwu, ya na ịta ụta nke omume dị otú ahụ gaewetara aha Chineke.

Otú ọ dị, ule ahụ akàkwụsịghị. Chineke wee chègharịa ná njikere Ọ naejikere maka ibibi ndị ahụ, wee nye Moses ndụmọdụ ka o duru ha baa n’ala ahụ ekwere ná mkwà n’ihi ọgbụgbandụ Ya na Abraham. Ma Chineke sịrị na Ya agaghị eso ha jee n’ihi mmehie na obi ọjọọ ha. O wee kwee mkwà izite mmụọozi n’iru ha ịchụpụ ndị ọjọọ bi n’ala ahụ, ma ọ dịghị nnọnye nke Onye nsọ ahụ gaesoro ha jee n’ijè ha.

Moses matara obi ụmụ Israel. Ọ makwara na ihe ọ bụla emere nke Chineke náanọghị na ya abaghị urù ọ bụla, ma ọ bụghị ma iru Chineke nọ n’ebe ahụ mgbe niile. O wee gaa n’iru rụgide Chineke n’ekpere n’ihi ụmụ Israel, wee náechetara Chineke mnwekọ nke dị n’etiti ya onweya na Chineke, “Ọ buru na ahutawom amara n’iru-Gi, biko, mem ka m’mara uzọ-Gi nile, m’gāmara kwa Gi, ka m’huta amara n’iru-Gi: Gi le kwa na ndi-Gi ka mba nka bù.” Ọ bụghị náánị odudu ka ọ naarịọ, maọbụ inyeaka na ike nye onweya kama ọ naarịọ ka Chineke nábata kwa ụmụ Israel ọzọ mee kwa ka ha bụgide ndị nke Ya.

“N’ihi na ọ̀ bu n’ihe gini ka agāmara na ahutawom amara n’iru-Gi, mu onwem na ndi-Gi? ọ̀ bugh n’ojije I nēsoro ayi je, ewe kewapu ayi bú mu onwem na ndi-Gi, n’ebe ndi nile nọ ndi bi n’elu uwa.” Moses bụ ezi onyendú, onye náekpe ekpere nke ukwuu n’ihi ndịọzọ, na onye nke Chineke kwesịrịntụkwasịobi! Ọ bụghị onye apụrụ iduhie n’ọlụ nke Chineke nyeworo ya site na nganga nke mmadụ maọbụ ọchịchọ nke anụarụ maọbụ udé na nsọpụrụ. Ọlụ Chineke nyere ya bụ̀ iduru ụmụ Israel baà n’ala Kenean, ọ bụghị náánị dịka otù mba nke ụmụmmadụ, kama dịka mba ndị bụ́ nke Chineke! O kweghị ka ihe ọ bụla nápụ ya ọlụ ya.

Ọ bụ ezie na Chineke naakpọ ụmụ Israel ndị nke Moses kwa mgbe ma Moses naanọgide n’ichetara Chineke na ha bụ ndị Ya na ọ dịghị onye ọzọ kpọpụtara ha site n’Ijipt ma ọ bụghị náánị Chineke. Moses chọrọ ka amara na ọlụebube ahụ niile abụghị nke ya ọ bụ ezie na alụrụ ha mgbe o setịpụrụ mkpàn’aka ya. Ọ gaadịworị mfé ndị ahụ ikwere na Moses nwereike karịrị ike nke mmadụ, n’ihi na ụmụmmadụ n’ọtụtụ ọgbọ garaaga náagọnarị ọlụebube nke Chineke ma náekwupụta na ha sitere n’ike nzuzo nke mmadụ maọbụ ọlụ nke sitere na ọ̀kìkè. Ma Moses ekweghị ka onye ọ bụla nwee échìchè dị otú a, ọbụná nwaoge, mgbe ọ bụla anaechetara ya ihe dị otú a, ọbụná mgbe Chineke kwere ka ụdị ihe a bịara ya dịka ule, Moses gaeme ngwa dozie okwu ahụ wee mee ka amara na Ụmụ Israel bụ ndị

nke Chineke, na ọ bụ Chineke kpọpụtakwara ha site n’Ijipt, ọlụebube na ihe niile dị ịtụ n’anya nke ha hụrụ bụ ihe aka Chineke lụrụ. (Lee Ọpupu 32:7, 11, 31, 34; 33:1, 12, 13, 16; 34:10, 27; Ọnụ-ọgugu 10:11-13, 33-36).

**Ọgbụgbandụ Nke Emere Ka Ọ Dị Ọhụụ**

Mgbe ule nke elere Moses gwụsịrị na mgbe ụmụ Israel bịakutere Chineke n’obi nke náechègharị, wee site ná mmehie nke ikpere arụsị ha chègharịa (Ọpupu 33:4). Chineke mere Onweya ka Ọ pụtaìhè nye Moses n’ụzọ dị ukwuu karịa otú Ọ dị na mbụ. Ma nke a ejughị kwa Moses afọ, o wee site n’amara nke ọ chọtara n’iru Chineke guzo náarịọ ngọzi nke ka ukwuu n’ihi ụmụ Israel náaga n’iru igosipụta mmụọ nke náadịghị achọ náání ọ dị mma nke onweya. Nke a bụ ihe emere dịka anyị hụrụ ya na Chineke kwere mkwà na Ya gaeme ka ịdị mma Ya náaga n’iru Moses, na Ya gaakpọku kwa aha ukwuu nke Jehova n’iru onyendú ndị Israel nke a, onye dị obi umeala ma dị kwa ike.

N’oge nke Chineke akpọrọ Moses bịa n’elu ugwu ahụ ọzọ, ugbu a ọ bụ ka o were mbadamba nkume abụọ ahụ bú nke Chineke gaedekwasị iwu ahụ. Ọ bụ n’oge nke Moses nọ n’Ugwu ahụ rue iri ụbọchị anọ ka ọ natara iheọmụ́má dị ukwuu karịa nke mmadụ ọ bụla pụrụ ịnata. N’ebe ahụ, n’oge ahụ, akpọkuru aha Jehova n’iru Moses. N’ebe ahụ ka onye nke Chineke a matara onye Chineke bụ nkeọma karịa, ihe Ọ bụ n’ebe ụmụmmadụ nọ, na ihe Ọ pụrụ imere ndị náatụ egwù Ya.

Mgbe Moses latara site n’ugwu Sainai ọ gwara ụmụ Israel ihe niile bụ nke Jehova gwara ya n’Ugwu Sainai (Ọpupu 34:32), ọ bụ kwa n’ebe ahụ ka ụmụ Isreal nwere nlebaanya nke mbụ nime ụdị nsọ nke ihe niile Chineke bụ. Ha hụrụ na Chineke abụghị onye eziomume n’otù oge, ma bụrụ onye ebere n’oge ọzọ. Ha hụrụ na ọ bụghị onye amamihe n’otù oge, ma bụrụ kwa onye dị mma n’oge ọzọ. Ha hụrụ na Ọ bụ onye eziomume, onye ebere, onye amamihe na onye dị mma n’oge ọ bụla. Ha ghọtara na izùòkè Ya niile dị nime Ya náalụ kwa ọlụ nime Ya mgbe niile. Ha matakwara nke mbụ na Jehova bụ Onye dịrị n’Onweya onye zubere ịnapụta ndị Ya site n’aka dị ike (Ọpupu 6:1), ma ugbu a ha amatawo ya dịka Onyenzọpụta nke náadị ndụ Onye nwereike nke pụkwara ịgbaghara mmehie ha ma ọ bụrụ na ha enwe ezi nchègharị, ya na Chineke eziomume onye nwereike nke pụkwara inye ha ahụhụ rue ebighịebi ma ọ bụrụ na ha echègharịghị.

**Ịdị Mkpà Na Ụgwọọlụ Nke Ịrịọrọ Ndịọzọ Arịrịọ**

Anyị ghọtara na ọ dịghị ihe ọ bụla pụrụ igbochi àtụ̀màátụ̀ nke Chineke, ọ dịghị ike nke ụwa maọbụ ọkụ alammụọ nke pụrụ ime ka ọlụ Ya ghara ịga n’iru. Anyị matara na Chineke gaemeworị àtụ̀màátụ̀ Ya ma ewezuga mmadụ, ma ọ bụrụ na Ọ pụghị iji náání mmadụ lụọọlụ; ọ dịghị onye gaamataworị ihe ọ gaabụ ma ọ bụrụ na Moses emeghị ngwangwa inye Chineke otuto karịa ịnara nsọpụrụ nke ụwa nye onweya. Mmụọozi nke Onyenweanyị gaejeworị n’iru ụmụ Israel ịchụpụ ndị Kenean, ndị ahụ gaejiworị adịghịike nke mmadụ náaga ijéru ala ahụ, ma Chineke agaghị esowo ha rị jee. Agaghị awapụtaworị mbadamba nkume ahụ, aka Jehova agaghị edekwasịworị ụ̀kpụ̀rụ̀ niile dị ebube nke uche nsọ Ya n’elu ha. Eleghịanya agaghị ewuworị ụlọikwuu ahụ n’ọzara, agaghị achụworị àjà niile ahụ nke mgbaghara na nsacha nke mmehie. Àjànsureọkụ̀ ahụ náesi ísíụtọ nke otuto nke anaesure ọkụ̀ n’elu ebe ịchụàjà nke ọlaedo ahụ agaghị adịworị, maọbụ Shekina ahụ ibinye n’etiti cherubim ahụ.

Asị na Moses ekwesịghị ntụkwasịobi nye Chineke n’ụzọ dị otú a, ike ukwuu ahụ nke bịara mgbe anaewu ụlọikwuu ahụ agaghị eletaworị ndị Israel, iheàmà ahụ niile nke náegosi odúdú Chineke iri arọ anọ ahụ niile agaghị adịworị. Aga etufuworị iheàtụ̀ ahụ nke ndị gaanwa inupuisi megide ndị ndú nke Chineke, n’ihi na ọ dịghị Ike ọ bụla gaadịworị n’Israel itigbu Kora, Dotan, na Abairam mgbe ha nupuruisi. Óké iheàtụ̀ gaefunarịworị anyị ma ọ bụrụ na anyị agụghị ihe banyere ozi nke ndị nledo ahụ ya na ihe ọjọọ dakwasịrị ndị Israel mgbe ha nwara ịbà n’ala ahụ n’ụzọ megidere uche Chineke.

Ọlụ dị ukwuu dịrị anyị ịrịọ arịrịọ n’ikwesị ntụkwasịobi maka uche Chineke ná ndụ anyị, na ndụ ndị anyị naeduzi. Anyị gaekele Chineke na Moses gafere ule ahụ! Anyị naekele kwa Chineke na emere ka ọgbụgbandụ ukwuu ahụ dị kwa ọhụụ! Anyị na ekele kwa Chineke n’ihi ndịọzọ nke náarịọrọ ibe ha arịrịọ, site ná mmalite nke akụkọ ahụ dị nsọ rue n’ụbọchị taa, ndị chọrọ ka ọlụ Chineke gaa n’iru, ka enye kwa aha Chineke nsọpụrụ karịa ihe ọ bụla ọzọ n’ụwa niile.

Ịrịọarịrịọ n’ihi ndịọzọ n’ikwesị ntụkwasịobi nwereike ifu anyị ihe, ma o nwere ụgwọọlụ dị ukwuu. Moses natara mkpughe nke Chineke nke mmadụ ọ bụla náanataghị n’oge ahụ, n’ihi náání ya rịgoro n’ugwu ahụ n’oge a. N’ihi na ọ nọ ná mkparịtaụkà dị ogologo ya na Chineke, nke akpụkpọ iru ya naenwupurị n’ụdị Chineke nke mere na ụmụ Israel ndị nwere mmụọ nke ụwa apụghị ilegide ya anya. Eleghịanya ọ gaabụ na Moses pụtara ìhè n’ụdị ahụ ọ dị n’ụbọchị Mnwogha ahụ n’ụzọ dị ntà n’oge ahụ mgbe ya na Jisọs guzoro n’elu ugwu mgbe oge gasịrị (Luk 9:30, 31). Mnwupu nke a gosịrị ụmụ Israel mbulielu nke imemmụọ nke ebuliri onyendú ha. O gosikwara na Chineke nwereike itinye ebube Ya nime onye ọ bụ uche Ya igosi amara (Ọpupu 33:19). Ọ naakuzi kwara anyị na mmekọ nke náadị ogologo oge na ifè òfụ̀fè n’ụzọ dị ndụ naenwogha nwa nke okwukwe rue n’ụdị Chineke nke eluigwe (I Jọn 3:1-3).

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Gịnị mere o ji dị mkpà ka awapụtakwa mbadamba nkume ahụ ọzọ wee dekwasị ihe n'elu ya?
2. Kọọ ihe banyere ule ukwu ahụ nke elere Moses dịka anyị si mụọ ya n'iheọ̀mụ̀mụ̀ garaaga, ya na otú o si kwesị ntụkwasịobi nye Chineke nime ya?
3. Rue oge ra añaa ka Moses buru ọnụ kpee kwa ekpere n'Ugwu Sainai ugbu a?
4. Òlee óké ngọzị na mkpughe dị nsọ ka enyere Moses n'ihi ịnọgịdesi ike na ekpere ya?
5. Gịnị bụ ọlụ dịrị ndị Israel idebe ọgbụgbandụ ahụ nke emere n'Ugwu Sainai?
6. Gịnị mere o ji dị mkpà na àtụ̀mààtụ̀ nke Chineke nye ụmụ Israel bụ ibibi obodo Kenean?
7. Kpọọ aha oge atọ dị ukwuu nime arọ mgbe ndịkom Israel niile naeche onweha n'iru Jehova.
8. Gịnị bụ nzube nke mkpọkọta ukwuu ndịa?
9. Gịnị ka mnwupu nke iru Moses naegosi?
10. Kwue ihe dị icheiche ná ndụ nke Moses nke mere ya onyendú nke imemmụọ dị ike na onye ozi.